Olee Ihe Ndị Bụ́ Eziokwu Banyere Chineke? —Nkebi nke 1

O si n'isi nke 1 n'akwụkwọ *Gịnị n'Ezie Ka Bible Na-akụzi?* Ọ dịkwa na www.jw.org/ig.

IHE Ị GA-EJI AKWỤKWỌ A EME: Jiri ya chọpụta ihe ndị i kweere na ihe mere i ji kwere na ha. Jirikwa ya mata ihe Baịbụl na-akụzi na otú i nwere ike isi kọwaara ya ndị ọzọ.



AHỤHỤ ANYỊ NA-ATA Ọ NA-EMETỤ CHINEKE N'OBI?

1 CHỌPỤTA IHE NDỊ I KWEERE

Olee ihe i chere ndị mmadụ nwere ike ịza ma a jụọ ha ajụjụ ahụ?

.....

.....

Olee ihe **gịnwa** kweere?

.....

.....

Gịnị mere i ji kwere ihe a i kweere?

.....

.....

www.jw.org/ig © 2014 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

2 LEE IHE BAỊBỤL NA-AKỤZI

Chineke anatụdịghị akpata ihe ọjọọ, ma o nwere ike ikwe ka ihe ọjọọ mee.

(Gụọ isi nke 1 n'akwụkwọ *Bible Na-akụzi,* paragraf nke 6-8.)

Gụọ Jems 1:13.

Olee otú ihe e dere n'amaokwu Baịbụl a si gosi na ọ bụghị Chineke na-akpata ihe ọjọọ?

.....

.....

.....

Olee ihe atụ ị ga-eme iji gosi na e nwere ihe dị iche **n'ikwe** ka ihe mee na **ịkpata** ihe?

.....

.....

.....

Jehova na-ahapụ ndị mmadụ ka ha jiri aka ha kpebie ihe ha ga-eme, otú ahụ nna na-ahapụ nwa ya ma nwa ya kpebie ibi ndụ ọjọọ. Ma, ọ bụghị Jehova *kpatara* ahụhụ ndị mmadụ na-ata maka inupụrụ ya isi

www.jw.org/ig © 2014 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

Ihe gbasara anyị na-emetụ Chineke n'obi, ọ na-ewutekwa ya na anyị na-ata ahụhụ.

(Gụọ isi nke 1 n'akwụkwọ *Bible Na-akụzi,* paragraf nke 11-13.)

Gụọ Jenesis 6:5, 6.

O wutere Jehova mgbe ihe ọjọọ juru n'ụwa n'oge ochie. Olee otú anyị si mara na ihe ọjọọ na-eme taa na-ewutekwa ya? **(IHE GA-ENYERE GỊ AKA:** Gụọ Malakaị 3:6.)

.....

.....

.....

Gụọ 1 Pita 5:7.

Gịnị ka i chere mere Jehova ji gwa anyị ka anyị na-akọsara ya mkpa anyị n'ekpere?

.....

.....

.....

Gụọ Jenesis 1:26 na 1 Jọn 4:8.

Ọ bụrụ na ahụhụ ndị mmadụ na-ata taa na-ewute **anyị,** gịnị mere obi ga-eji sie anyị ike na ọ na-ewutekwa **Jehova?**

.....

.....

.....

Olee otú obi dị gị ugbu a ị matara na ọ bụghị Chineke na-akpata ahụhụ anyị na-ata, na ihe gbasara anyị na-emetụ ya n'obi, nakwa na ahụhụ anyị na-ata na-ewute ya?

.....

.....

.....

www.jw.org/ig © 2014 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

3 OTÚ Ị GA-ESI AKỌWA IHE NDỊ I KWEERE

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Otú Chineke si akwụ ndị ajọ omume ụgwọ bụ ịta ha ahụhụ.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ bụ ihe ọtụtụ okpukpe na-akụzi. Ma, ekwetaghị m n'ihi na…

.....

.....

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

.....

Olee ihe mere o ji bụrụ amaokwu Baịbụl ahụ ka ị họọrọ?

.....

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

O nweghị ihe nyịrị Chineke. Ọ bụrụ na ihe banyere anyị na-emetụ ya n'obi, ọ gaghị ekwe ka ihe ọjọọ na-eme anyị.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ama m na o nweghị ihe nyịrị Chineke, ma ekweere m na ihe banyere anyị *na-emetụ* ya n'obi n'ihi na…

.....

.....

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

.....

Olee ihe mere o ji bụrụ amaokwu Baịbụl ahụ ka ị họọrọ?

.....

www.jw.org/ig © 2014 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania